# OMEN’ALA NKE MMADỤ KÀỌ̀BỤ IHE CHINEKE NYERE N’IWU?

## Matiu 15:1-20

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 95 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN’ISI: “N’ihi na n’obi ka ajọ échìchè nile, igbu-madu nile, ikwa-iko nile nke ndikom nwere nwunye na ndinyom nwere di, ikwa-iko nile, ori nile àmà ugha nile, nkwulu nile, si aputa” (Matiu 15:19).**

**I Ebubo nke Ndị ode akwụkwọ na Ndị Farisii**

1. Ha boro ndị náesoụzọ Jisọs ebubo na ha náemebi omen’ala nke ndịokenye, Matiu 15:1, 2
2. Ndị Farisii naemebiiwu nke Chineke site n’omen’ala ha, Matiu 15:3
3. Onyenweanyị nyere anyị iwu ịsọpụrụ ndị mụrụ anyị, Matiu 15:4-6; Ọpupu 20:12; Deuteronomi 5:16; Ilu 23:22; Ndị Efesọs 6:2
4. Ha náasọpụrụ Chineke n’egbugbere ọnụ ọ bụghị site n’obi ha, Matiu 15:7, 8; Aisaia 29:13
5. Ndị Farisii naakụzi ihe mmadụ nyere n’iwu dịka òzízí ha, Matiu 15:9; Ndị Kọlọsị 2:20-22

**II Akọwara Ihe Mmeru bụ**

6. Jisọs naakpọ ìgwèmmadụ ka ha nụrụ, Matiu 15:10
7. Ọ bụghị ihe náabá n’ọnụ naemerụ mmadụ, Matiu 15:11; Taitọs 1:15
8. Ndị náesoụzọ Ya gwara Jisọs na emere ka Ndị Farịsii maa n’ọnyà, Matiu 15:12
9. Agaeropụ ihe ọkụkụ ọ bụla, nke Nna nke Eluigwe náakụghị, Matiu 15:13; I Ndị Kọrịnt 3:13

**III Ndị Ndú Kpuruìsì**

10. Ọ bụrụ na onyeisi edue onyeisi, ha abụọ gaadaba n’òlùlù, Matiu 15:14; Aisaia 9:16; Malakai 2:8
11. Pita rịọrọ Jisọs ka Ọ kọwara ha ilu a, Matiu 15:15, 16
12. Jisọs kọwara na ọ bụ ihe si nime obi naemerụ mmadụ, Matiu 15:17-19; Jemes 3:6; Jenesis 6:5
13. Aka anaakwọghị akwọ adịghị eweta mmerụ, Matiu 15:20

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Omen’ala Dị Icheiche**

Ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii naetinye ezigbo nleruanya n’omen’ala, bụ nke ha sịrị na ọ bụ iwu anaedeghị ede, nke Chineke nyere Moses n’Ugwu Sainai, wee nyefee ya agbụrụ niile site n’okwu ọnụ. Náenweghị obiabụọ, site n’ọgbọ rue n’ọgbọ anaenwe ihe ntinye n’omen’ala na ememe dị icheiche ma ndị Farisii bú ndị naejidesi ihe banyere iwu ike enweghị mmụọ iji ghọta na ihe edere n’akwụkwọ naegbu egbu ma mmụọ naeme ka adị ndụ. Nime nzukọ dị icheiche taa, enwekwara ndị náekwusi ihe banyere omen’ala, ememe na iwu nke mmadụ ike karịa Okwu Chineke.

Jisọs alụworị ọtụtụ ọlụ ebube n’ụsọ Osimiri Galili. Ebe ọ bụla Ọ naeje, nime obodo dị icheiche, mba, maọbụ n’okporoụzọ dị icheiche nke obodo meghere emeghe, ha naebutere Ya ndị arụ náadịghị ike, wee rịọ Ya ka ha metụ náánị ọnụ uwe Ya aka, ka ha ra kwa bú ndị metụrụ aka emere ka arụ dị ha ike (Mak 6:56). Mgbe niile, ekwensu naenwe ndị ọlụ ya bú ndị náachọpụta agazighị agazi mmadụ, náata mmadụ ụta, náachọ kwa ụzọ ka ha kpue okwukwe nke ndị kwereekwe iru. Anyị chọpụtara n’ebe a na ọ naezipu ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii na Jerusalem ime ihe dị otú ahụ. Mgbe náadịghị anya ha chọpụtara ihe ha gaeji taa ụta. Ndị náesozọ Ya náeri ihe náebughị ụzọ kwọọ aka bụ ihe náemegide omen’ala ha. Jisọs jụrụ ha sị, “N’ihi gini ka unu onwe-unu nējehie kwa n’ihe Chineke nyere n’iwu n’ihi ozizi enyere unu n’aka?” (Matiu 15:3). Ọ rapụghị ịkọwara ha ihe nke a pụtara. Ọ gwara ha otù nime ihe ahụ enyere n’iwu nke ha naemebi. Onyenweanyị gwara ha ka ha sọpụrụ nna ha na nne ha, na omen’ala ha agbanwewo iwu a, ewee kwenye ka ha weta onyinye n’ụlọ nzukọ, onyinye a gaeme kwa ka ha nwere onwe ha pụọ n’ọlụ dịrị ha n’imere ndị mụrụ ha ihe ọ bụla ọzọ. Anyị naachọpụta na ọtụtụ mmadụ taa akpafuwo site n’iwu Chineke karịa nke ahụ; náenyeghị ọbụná dị onyinye n’ụlọ nzukọ, ha naarapụ ndị òtù ọlụ ebere ka ha náelekọta ndị mụrụ ha.

**Ndị Ndú Kpuruìsì**

Okwu dịkarịsịrị ilu nke Jisọs kwuru bụ okwu O kwuru megide ndị iruabụọ, ndị náegosi n’iru mmadụ na ha naekpere Chineke ma obi ha jupụtara n’ihe ọjọọ dị icheiche. Ha nwere ntị ịnụ ihe ma ha adịghị amụta, anya ha dị kwa ịhụ ihe ma ha adịghị ahụta -- ndị ndu kpuruìsì ná edu ndịìsì. Jisọs sịrị, “Rapunu ha:…. Ha abua gādaba n’òlùlù” (Matiu 15:14). Pọl, mgbe ọ naekwu okwu banyere ndị ahụ naanabataghị ịhụn’anya nke eziokwu ahụ ka ewee zọpụta ha, sịrị na Chineke gaezitere ha ịlụsiọlụ ike nke njehie ka ha wee kwere ụgha ahụ ewee kpee ha ikpé (2 Ndị Tesalọnaika 2:10-12). Pọl dọkwara akanántị sị ka aghara ịñantị akụkọ iro dị icheiche nke ndị Ju, na ihe dị icheiche

nke mmadụ nyere n’iwu (Taitọs 1:14). Ọ sị kwa ka ajụ akụkọiro niile emerụrụ emerụ nke dịkwara agadi ndịnyom. Náagbaghị agụgọ akụkọ iro ndịa bụ kwa ụfọdụ nime omen’ala enyere ha nke náadịghị adakọta kwa n’Okwu Chineke.

**Ọkpụkpọ Akpọrọ Ìgwèmmadụ**

Jisọs naakpọ ìgwèmmadụ ka ha nụ ma ghọta kwa eziokwu. Ọ bụ ezie na ụfọdụ gaanụ ma ha agaghị aña ntị ma Onyenweanyị chọrọ ka mmadụ niile nụ. Okwu ahụ naagwa anyị ka anyị bụrụ ndị náeme Okwu ahụ ọ bụghị ndị náanụ náánị ọnụnụ. Ndị Farisii ndịa ejidesiwo eziomume Chineke nke naesi n’Eluigwe bịa. Ka anyị lezie anya wee ghara iwere ọlụ ọma dị icheiche gbanwere eziomume nke Chineke dị nime obi anyị.

Ọ bụ Oziọma a dị ebube naeme ka anyị bụrụ ndị ekere ọhụụ wee gbanwee kwa obi ahụ nke mmehie merụworo ka ọ dị ọhụụ jupụtakwa n’eziomume na eziokwu. Ọ bụ obi ọhụụ a ka Onyenweanyị chọrọ ka anyị niile nwee. Obi a nke emeworo ka ọ dị ọhụụ site n’ịmụ ọzọ gaanabata eziokwu ma hụ kwa ya n’anya.

**Ihe Náemeru emerụ Naesi nime Apụta**

Jisọs gwara ha otú o doro anya nkeọma na ọ bụghị ihe náesi n’ọnụ abànye naemerụ mmadụ kama ọ bụ nke ahụ náesi n’ọnụ apụta naemerụemerụ. Na Jeremaia 17:9 anyị naagụ: “Obi dị aghụghọ karị ihe nile, ihe nādigh ngwọta ka ọ bu kwa: onye gāmata ya?” Jehova wee zaa sị “Mu onwem, bu Jehova nēnyocha obi, nānwa akuru” (Jeremaia 17:10). Ọ bụrụ na anyị emeghepụ obi anyị nye Onyenweanyị, Ọ gaenyocha obi anyị niile ma mee kwa ka anyị mata ma ọ dị ajọ ihe dị n’obi anyị.

**Emere ka Ndị Farisii Máá N’ọnyà**

Ndị naesoụzọ gwara Jisọs na emere ka Ndi Farisii máá nọnya n’ihi okwu Ya. Jisọs zara sị, “Agēropu ihe ọkụkụ ọ bula nke Nnam nke elu-igwe nākugh.” N’Abù Ọma 52:3-5 anyị naagụ na “I huwo ihe ọjọ n’anya kari ezi ihe; na okwu ugha kari ikwu okwu ezi-omume…. I huwo okwu niile nēloda eloda n’anya, gị ire aghughọ. Chineke gākwatu kwa gị rue mgbe ebigh-ebi, Ọ gējide gi dọkpupu gi n’ulọ-ikwu gi, ropu kwa gi n’ala ndi di ndu.”

**Ndị Náesoụzọ Ya Náenweghị Nghọta**

Mgbe Pita sịrị Onyenweanyị ka Ọ kọwaara ha ilu ahụ, ọ dị ka ọ gbagwojuru Jisọs anya, Ọ sị “Unu onwe-unu di kwa nēnwegh nghọta we rue ugbu a?” Mgbe ahụ Ọ kọwara ha na ọ bụghị ihe si n’ọnu bànye naemerụ mmadụ: kama ihe nke si n’ọnụ pụta naesi nime obi apụta bụ ihe náemerụ mmadụ. “N’ihi na n’obi ka ajọ échìchè nile, igbu madu nile ikwa-iko nile, iro nile, àmà-ugha nille, nkwulu nile, si aputa: ndia bu ihe nēmeru madu: ma ị were aka anākwọghakwọ iri ihe adigh-emeru madu” (Matiu 15:19, 20). Obi bụ isi nke ndụ, ọ bụ kwa obi ka Chineke naemeso. “Kari ihe-nchebe-gi nile chebe obi-gi; n’ihi na site na ya ka nputa nile nke ndu di” (Ilu 4:23). “N’ihi na dika o si echè échìchè ná nkpuru-obi-ya, otú a ka ọ di” (Ilu 23:7). Anyị achọpụtawo na ọ bụ náánị mkpụrụobi ka Chineke naemeso. Mmehie naemerụ obi, ma ọ bụ náánị otù ọgwụgwọ dịịrị mmehie, Ọbara nke Jisọs.

Ọbara ahụ pụrụ ihichapụ mmehie, ma mkpọrọgwụ ma alaka ya wee mee ka obi dịọcha. Ọ dịghị isiiyi ọ bụla pụrụ ịsụpụta mmiri náelu ilu na mmiri náatọ ụtọ n’otù mgbe (Jemes 3:11). Mmehie naasụpụta mmiri náelu ilu; obi dị ọcha naasụpụta mmiri náatọ ụtọ. “Ezi madu site n’ezi àkù nke obi-ya nēweputa ezi-ihe; ajọ madu site kwa n’ajọ akù nke obi-ya nēweputa ajọ ihe: n’ihi na ọnu-ya nēkwu okwu site n’ihe nke obi nwebigara ókè” (Luk 6:45). Iri nri naakwọghị aka adịghị emerụ mmadụ, ma obi nke mmehie dị naeweta mmerụ.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ omen’ala dị icheiche?
2. Gịnị bụ ebubo nke ndị Farisii boro ndị náesoụzọ Ya?
3. Gịnị bụ ebubo nke Jisọs boro ndị Farisii?
4. Gịnị naemerụ mmadụ?
5. Òlee ebe Jisọs sịrị na mmerụ si abịa?
6. Òlee otú mmadụ gaesi debe onweya pụọ ná mmerụ?
7. Ọ bụrụ na onyeìsì naedú onyeìsì gịnị gaeme?
8. Gịnị gaeme ihe ọkụkụ niile nke Nna nke Eluigwe náakụghị?
9. Òlee nke karịrị ukwuu, iwu niile nke ndịokenye kaọ̀bụ̀ iwu niile nke Chineke?